# IHE IRI ABUO NA ATO MERE EJIRI MEE IWU EJI MATA IHE NA EME NA GOMENTI

**Ndi Nyere Ha Aka Bu**

OPEN SOCIETY INITIATIVE FOR WEST AFRICA

**IWU EJI AMATA IHE MERE EME: IKE ENYERE GI IMATA: NDU GI DI N'AKA YA**

Iwu nke Ike Imata Ihe mere eme nke emere na 2011 gbasara onye obula, ihe obula na ndu ana ebi kwa ubochi. Ike imata ihe mere eme bu ntoala nke obodo obula nke ndi madu nwere onwe ha. Ahuike nmekoritka ndi bi n'obodo na udi ndu ndi bi na ya di na aka na Iwua. Oga eme nke ndi ana achi achi nwere onu okwu na gomenti ha, wee meekwa ka ndi gomenti, alaka gomenti na ndi ozo abughi gomenti nwere ike chikota aka onu hu na ochichi bara onye obula uru.

**KEDU KA IWU IMATA IHE MERE EME GA ESI MEE KA NDU DI NMA KARIA OTU ODI TUPU EMEE IWUA?**

- **ONYE OBULA** were ike imata ihe omuma obula gbasara gomenti, alaka gomenti, ndi ji ego gomenti aru oru maobu ndi n'aruru ohanaeze oru.
- **ONYE OBULA** kwesiri inata oziza ajuju ya n'ime abali asaa site na mgbe ajuru ajuju ahu.
- **ONYE OBULA** nweziri ike imata ihe na eme gbasara ahuike ohanaeze, nmekorita ana emekorita na obodo, oru nmepe obodo, nkwado nke ego eji aruru ohanaeze oru, uzo esi azutara gomenti ihe na akunauba ndi na aruru gomenti nwere, na ihe ndi ozo.
- **ONYE OBULA** nweziri ike iso leba anya n'uzo gomenti si na efe ohanaeze na akuku nmepe obodo, ahuike umunwanyi di ime na ndi muru nwa na kwa ahuike ndi ozo, uloakwuakwo nke ntoala na kwa mbo ana agba ikpochapu ukpa na obodo.
- **ONYE OBULA** nweziri ike imata uzo ndi oru gomenti si-etinye ego n'ile eweputara maka iru m'obu imezi uzo, ulo-ogwu, oku eletrik, miri onunu, na ndi ozo wee hu na onye obula arughi oru ya ga aza ajuju maka ya.
- **NDI OBODO** ga ama wee kwue kwa udi ihe nmepe obodo ha choro wee si otua mee ka ahapu imebi akunauba ohanaeze nke gaebuta ukpa na ahuhu na'ebe ndi obodo no.
- **NDI OBODO NA NDI ANA ACHI ACHI** ga enwe ike imara uru ona aputakwa na ego n'ile na mbo n'ile ha naagba.
- **NDI ORU NGO** ga-enwe ike mara ma oru ngo e nyegasiri gbasoro ukpuru na uzo ziri ezi nke iwu.
- **GOMENTI NA OHANAEZE** ga eleba anya na otu esi na ekewasi ego gomenti ka ha wee hu na eji ntakiri ego gomenti nwere ruputa ihe ga abara onye obula uru na kwa na nmepegaeru akuku obodo n'ile.
- **ULO OME IWU** ga na enweta ihe omuma n'ile di ha mkpa ha egejirua oru inyocha alaka gomenti ndi ozo.
- **NDI OME IWU** ga amata ihe n'ile di mkpa ime iwu ga abara obodo uru wee kwa ruo oru ilebara alaka gomenti ndi ozo anya.
- **NDI NA ARURU ONWE HA ORU** nwezirike ighota ihe egwu di na ebe ha choro itinye ego ha na kwa ebun'uche gomenti di nke ogabu na ha tinye ego, uru aputa naya.
- **NDI ORU UBI** ga amata ihe gomenti na etinye n'ihe eji eme ka oru ubi gaa n'iru wee mara zie uzo ha ga esite rita uru na ha.
- **NDI ORU ATUMATU EGO** ga amata ebe gomenti tinyere ego karia, ha ewee nwe ike inye ndi ha na aruru oru ndumodu bara uru.
- **NDI NTA-AKUKO NA NDI MGBASA AKUKO** nweziri ike imata ihe mere eme; nkea ga eme ka asiri na igba izu ojoo buru ihe lara ala; nkea emezie ohanaeze esoro na etinye onu na ochichi.

- **NDI NA KWADO NDI NA ACHOPUTA IHE OMUMU** ga enwezike  mara ebe na uzo esi enye ego ana enye ndi ogu akwukwo na achoputa ihe ohuu.
- **UMU NWANYI NDI OZU-AHIA** ga amata uzo ndi ochichi kansul siewere ego ndi ahia na atu kwa ubochi etinye ebe ana ekpopu ahihia, ebeanaagamkposi na kwa nchedo nke ahia ha.
- **NDI ODI NA AKA HA IKPEBI UZO OBODO GA ESI MEPEE** ga amata ihe n'ile gbasara otu gomenti si etinye ihe ha kpebiri na oru wee mata uzo aga esi mee ka odi ire.
- **UMUAKWUKWO, NDI NCHOPUTA NA NKUZI** gazi amata ihe n'ile di mkpa na oru ha.
- **NDI ORU PURU ICHE** ga enwe ohere iru oru ha nke bu ndumodu gbasara imata ihe mere eme, ikpe udo, ndi na enyocha uzo esi enweta, dekoo na kwa gbarie ego, ndi na eme ka emee ihe edere na iwu na kwa ndi oka iwu, na ndi ozo di iche-iche.
- **NDI NAIJIRIA** ga eji amamihe tunyere ndi na acho ochichi votu wee soro na ndi na eme ka obodo ga n'iru.
- **MBO ANAGBAGIDE ORI NA NGO** ga aga n'iru n'ihi na oga adi mfe imata ihe na eme na gomenti maobu alaka ya.
- **OHANAEZE** ga amatazi ma ochichi ana achi ha obakwara ha uru na kwa onye na egbochi ochichi ibara ha uru.

**IMA IHE NA EME BU INWE IKE, INWE  ZIRI IKE!!!**

**Obunaicho imata karia nkea na kwa inweta Iwu Eji Ama Ihe na Mere Eme, gaa na www.r2knigeria.org maobu kwanu ikpoo, +234978022227.**

R2K RIGHT TO KNOW ... *Ndu Gi Di N'aka Ya*